# MBILITEN'ỌNWỤ NA NRỊGO N'ELUIGWE NKE KRAIST

## Mak 15:42-47; 16:1-20; Ọlu Ndi-ozi 1:1-11

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 171 - Nke Ndiokenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na I gagh-arapuru ala-mọ nkpuru-obim; I gagh-enye onye-ebere Gi ka ọ hu nbibi' (Abù Ọma 16:10).**

**I Òlìlì nke Jisọs**

1. Josef nke Arimatia bụ onye bupụrụ arụ nke Jisọs, Mak 15:42-45
2. Atọgbọrọ Jisọs n'ílì ọhụụ, Mak 15:46

**II Mbiliten'ọnwụ nke Jisọs**

3. Mgbe Ụbọchị izuike gasịrị, ndịnyom bịara ka ha tee arụ Jisọs mmanụ, Mak 15:47, 16:1, 2
4. Ndịnyom ahụ hụrụ otù nwaokorọbịa ka ọ nọdụrụ ala nime ílì ahụ ghereoghe, Mak 16:3-5; Luk 24:3; Jọn 20:11, 12
5. Mmụọozi ahụ gwara ha okwu nke nkasịobi banyere mbiliten'ọnwụ nke Jisọs, Mak 16:6-8; 14:28; Matiu 26:32
6. Jisọs mere ka Meri Magdalini hụ́ Ya anya, mgbe nke a gasịrị O mekwara ka ndị náesoụzọ Ya abụọ hụ́ Ya anya, O mekwara ka ndịọzọ hụ́ Ya anya mgbe ha nọ náeri ihe, Mak 16:9-14; I Ndi Kọrint 15:5

**III Iwu Jisọs Nyere Ndị Náesoụzọ Ya**

7. Jisọs nyere ndị niile náesoụzo Ya otù iwu nke gazuru ụwa niile, Mak 16:15, 16; Matiu 28:19; Jọn 15:16; 12:48
8. Iheiribaàmà dị icheiche gaeso mkwusa nke Oziọma, Mak 16:17, 18; Luk 10:17, 19; Ọlu Ndi-ozi 2:4
9. Jisọs gosiri Onweya ná ndụ n'ihe ra ka iri ụbọchị anọ, site n'ụzọ pụtara ihè nke anaapụghị ịgba agụgọ, Ọlu Ndi-ozi 1:1-3

**IV Mkwa nke Nna**

10. Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya ka ha chere Onye nkasịobi, Ọlu Ndi-ozi 1:4, 5; Joel 2:28; Luk 24:49; Jọn 14:16
11. Ndị náesoụzọ Ya ka tụrụ anya alaeze nke ụwa nke a, Ọlu Ndi-ozi 1:6; Aisaia 1:26
12. Jisọs gwara ha na Nna edebewo ụfọdụ ihe n'ike nke aka Ya, Ọlu Ndi-ozi 1:7
13. Mmụọ Nso gaabịakwasị ha, ha gaabụ kwa ndịàmà nke Chineke, Ọlu Ndi-ozi 1:8; 1:1-4

**V Nrị go n'Eluigwe nke Jisọs**

14. Eweliri Jisọs baa nime Eluigwe, O wee pụọ n'anya ha, Ọlu Ndi-ozi 1:4, 5; Joel 2:28; Luk 24:49 Jọn 14:16
15. Ndịkom abụọ ndị yikwasịrị uwe ọcha kwere ha mkwà siri ike banyere nlaghachi Ya, Ọlu Ndi-ozi 1:10, 11; Mak 16:19; Daniel 7:13; Matiu 24:30; I Ndi Tesalọnaika 4:16; Nkpughe 1:7
16. Ndị náesoụzọ Ya pụrụ náekwusa ebe niile, Onyenweanyị naeme kwa ka Okwu Ya guzozieike site n'ihe iribaàmà dị icheiche nke náeso, Mak 16:20

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Nime iheọ̀mụ̀mụ̀ a anyị nwere usoro nkọwa nke òlìlì, mbiliten'ọnwaụ, na nrịgo n'Eluigwe nke Jisọs. N'oge njide Ya na ikpé ekpere Ya, ndị náeso ụzọ Ya wee gbalaga. Josef nke Arimatia, otù nwoke ọgaranya, onye bụ kwa otù nime ndịisi, sogidere Jisọs na nzuzo n'ihi egwù Ndị Ju. Ma mgbe akpọgbusịrị Jisọs n'obe, anyị hụrụ Josef ka o jekuuru Pailat náatụghị egwù wee náarịọ arụ nke Jisọs. Ihe dị ka ọ gaetinye egwù nime ụfọdụ mmadụ wee tinye mkwuwa okwu nime obi ndịọzọ.

Ọ bụrị omen'ala n'ụbọchị ndị ahụ bụ́ iji ụdà ụtọ dị icheiche dozie ozu. N'ihi enweghi oge, n'ihi na Ụbọchị izuike naabịaru nso, ha liri Jisọs ọsọsọ wee náatụ́ anya ijé tee arụ Ya mmanụ mgbe Ụbọchị izuike gasịrị. N'isi ụtụtụ nke ụbọchị ahụ ka ndịnyom ụfọdụ ndị ji ụda ụtọ dị icheiche malitere ịchọ ụzọ ijéru n'ílì ahụ. Ọ bụ ezie na Jisọs gwara ha ọtụtụ ugbò na Ya Onweya gaesi n'ọnwụ bilie ọzọ, ọ dịghị mgbe ọ dị ka ha ghọtara eziokwu ahụ. Ọ bụụrụ ha ihe ijuanya, iheegwù, na ihe mgbagwojuanya mgbe ha hụrụ na ebupụwo nkume ahụ, otù mmụọọzi

gwakwara ha okwu, “Ka ibobo ghara inwu unu n’aru nke uku: unu nāchọ Jisọs, Onye Nazret, Onye akpọgideworo n’obe: emere ka O si n’ọnwu bilie; Ọ nọgh n’ebe: le, ebe ha tọgbọro Ya!”

Ílì ahụ, na nkume ejiri mechie ọnụụzọ ya, apụghị ijide Ọkpara Chineke. Ya Onweya bụ Mbiliten’ọnwụ na Ndụ! Mgbe oge ruru mgbe kwesịrị ka O bilie, ọ dịghị ihe purụ igbochi Ya. Ndị agha nke Ndi Rom dara dịka ndị nwụrụanwụ. Akàrà nke ọchịchị ahụ apụghị igbochi ike nke Chineke. Jisọs biliri, bụrụ Onye meriri ọnwụ, ọkụ alammụọ na ílì.

Ndịagha ahụ gbagara n’obodo mgbe ha nwetara onweha site n’ibodo ahụ nke nwụrụ ha n’arụ n’ihi óké ihe ahụ nke mere, ha wee kọọrọ onyeisi nchụaja ihe niile nke mere. Ndịa náadịghị asọpurụ Chineke gwara ndị agha ahụ ka ha kwue okwu ụgha, ha kwere ha mkwà na ha gaechebe ha ma ọ burụ na iwu ndịagha enwee ihe ọ bụla megide ha n’ihi na ha naararụ ụra oge ha nọ n’ọlụ. Ma eziokwu nke mbiliten’onwụ Ya bụ ihe ọtụtụ mmadụ matara nke ọma n’ụbọchị ndị ahụ náagbanyeghị akụkọ nke akọzuru ebe niile nke ha kọrọ site n’ikwenye n’okwu ụgha nke ndịagha ahụ kwuru.

**Mbiliten’ọnwụ Otù Eziokwu Emere Ka o Guzozie ike**

Ọ bụ eziokwu guzosiri ike na Jisọs siri n’ílì bilie. Mbiliten’ọnwụ ahụ bụ okwukwe na olileanya onye nke Kraist. Okwu Chineke nke Pọl naekwusa gbagidere ụkwụ n’ihe banyere Mbiliten’ọnwụ. Ọ bụ n’ihi ihe banyere olileanya nke mbiliten’ọnwụ nke ndị nwụrụanwụ ka eji kpọọ Pọl ịjụ ya ajụjụ n’ìru nnọkọ ikpe. Ọ dị kwa ufọdụ mmadụ n’etiti nzukọ nke dị na Kọrint ndị naekwu na mbiliten’ọnwụ nke ndị nwụrụanwụ adịghị, ma Pọl dere na Ndi Kọrint nke mbụ isi irinaise ahụ nke anaechèta mgbe niile garaaga. “Ma ọ buru na mbilite-n’ọnwụ nke ndi nwuru anwu adigh, emegh kwa ka Kraist si n’ọnwụ bilie: ma ọ buru na emegh ka Kraist si n’ọnwụ bilie, okwukwe-unu bu ihe-efu; unu nānọ ná nmehie nile unu ughu a” (I Ndi Kọrint 15:13, 17).

Jisọs mere ka ọtụtụ ndịnsọ hụ́ Ya anya mgbe mbiliten’ọnwụ Ya gasịrị. Mgbe ụfọdụ ọ bụ náání otù onye, mgbe ụfọdụ ọ naabụ ihe dị ka mmadụ abụ maọbụ karịa, n’otù mgbe ọzọ kwa ọ bụ ndị karịrị narị mmadụ ise (500) ndị gbakọtara n’otù ebe. Ọ bụ otù nime oge ndịa ka O nyere ha iwu: “Ganu n’uwa nile, kwusara ihe nile ekèrè èkè Oziọma nkem. Onye nke kwere, nke eme-kwa-ra ya baptism agazọputa ya; ma agāma onye nke nēkwegh ikpe” Ihe niile ekèrèèkè ndị ọgaranya ndị ogbenye, ndị ọnọdụ ha dị elu, ndị ọnọdụ ha dị ala, ndị mụrụ akwụkwọ, ndị náamụghị akwụkwọ mmadụ niile gaanụ Oziọma nke Kraist. Ọ bụghi náání mmadụ olenaole, ndị Onyenweanyị rọpụtara bụ ndị agaazọpụta ndịọzọ ewee bụrụ ndị ajụrụ ajụ. Agaakpọ òkù a nke bụ “Onye nke kwere”, agaazọpụta kwa onye ọ bụla nke kweere. Agaama onye nke náekweghị ikpé

**Ike nke Ijéozi**

Tutu Jisọs arịgoro n’Eluigwe Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya ka ha nọgide nime Jerusalem rue mgbe agaeji ike si n’Eluigwe, yikwasị ha. Ike ahụ nke agaeyikwasị ha gaenye ha ike dị mkpà maka ijéozi ha na kwa ike iji merie ike niile nke onyeiro. Ọ gaabụ maka mmezu nke mkwà ahụ nke bụ na ọtụtụ iheiribaámá gaeso mkwusa ha. Ha gaasụ asụsụ n’olu ọhụụ dị icheiche, nke ha mere mgbe ejiri Mmụọ Nsọ wụọ ha mmiri n’ụbọchị Pentikost. Jisọs sịkwara “Ha gāchilite agwọ, ọ buru kwa na ha añua ihe ọ bula nēbute ọnwụ., ọ gagh emeru ha aru ma-ọli.” Ọ dịghị ebe ọ bụla nke Onyenweanyị gwara ha ka ha mee ihe ngosi nke ike ha. Enyere ha ike ahụ iji wee náeto Chineke na iji ya náagọzi ụmụmmadụ. Ha agaghị ewere ebere nke Chineke dịka ihe efu site n’iji ya chilite agwọ were kwa ya náeme ihe ngosi nke ike n’ebe Chineke nọ dịka ụfọdụ naeme n’ụbọchị ndịa. Nkọwa nke okwu Onyenweanyị a pụtara ìhè nime Akwụkwọnsọ. N’ọgwụgwụ ndụ nke Pọl, mgbe ọ naachịkọta nkụ́ iji menwue ọkụ, otù ajụala rịgokwasịrị ya n’aka, Ndị náasụ asụsụ ọzọ ahụ bụ́ ndị nọ n’agweetiti hụrụ ya, ha wee chee na Pọl gaada n’ala nwụọ. Ha matara ihe ọtịta nke anụ ọjọọ ahụ nke nwere nsí gaabụ. Ma mgbe Pọl tichapụrụ agwọ ahụ wee tiba ya nime ọkụ náenweghị ihe agwọ ahụ mere ya, nke ahụ gosịrị ha ike nke dị nime Oziọma (Ọlu Ndi-ozi 28:1-6). Onyenweanyị gaechebe ndị nke Ya pụọ n’ebe agwọ na ihe ọ bụla náeweta ọnwụ dị ma ọ burụ na anyị ezute ụdị ihe ahụ náamaghị ama, ma anyị agaghị abụ ndị náeme ihe ngosi n’ụzọ iji gosi ụwa, na iji wee nara otuto nke onwe anyị na anyị bụ ndị nwere ụdị ike ahụ.

**Nrị go n’Eluigwe nke Jisọs**

N’ihe ra ka ụbọchị iri anọ (40) mgbe mbiliten’ọnwụ Ya gasịrị, Jisọs mere ka ndị náeso Ya hụ́ Ya anya, mgbe ụfọdụ ọ naabụ oge emechiri ụzọ, mgbe ụfọdụ ọ naabụ n’akụkụ óké osimiri. Ebe ọ bụ na Ọ nọ n’arụ ebube Ya. Ọ pụrụ ịbata n’etiti ha na mberede, Ọ pụkwara isi otù aka ahụ fue n’anya ha náatụfughi oge. Okwu ahụ naagwa anyị na site n’ọtụtụ ụzọ pụtara ìhè O gosịrị Onweya ná ndụ mgbe ahụhụ Ya garsịrị. O ziri ndị náesoụzọ Ya ọtụtụ ihe banyere Alaeze Chineke. Ọ dị ka agaasị na emere ka nghọta ha dị ukwuu mgbe mbiliten’ọnwụ Ya gasịrị, n’ihi na n’anya ha ka emere ka ọtụtụ ihe nime òzìzì nke Jisọs pụta ìhè.

Otù ụbọchị, mgbe Ya na ha zukọrọ nime Jerusalem, O duru ha pụọ jeru Betani n'Ugwu Olive. N'ebe ahụ ka O nyere ha iwu Ya nke ikpeazụ. Ha agaghị esi na Jerusalem pụọ, "kama ka ha chere nkwa nke Nna-Ya; nke unu nuru n'ọnum, ka o kwuru." O wee chilie aka Ya abụọ n'ebe Eluigwe dị we nye ha ngozi nke nkewapụ Ya. Mgbe Ọ nọ náagọzi ha, ewepụrụ Ya n'ebe ha nọ, ewee buru Ya baa nime Eluigwe. Ha ji anya ha legide Ya rue mgbe igweojii naara Ya pụọ n'anya ha. Mgbe ha naelegide anya n'Eluigwe ndị mmụọozi abụọ guzoro ha nso wee sị "Ndikom nke Galili, gini mere unu nēguzo nēle anya n'elu-igwe? Jisus nka Onye anapuru n'ebe unu nọ rigo n'elu-igwe, gābia n'otù aka ahu dika unu kiriri Ya ka Ọ nāga n'elu-igwe" Ha jiri óké ọñụ laghachi na Jerusalem. Lee otú ọ gaesiworị dị iche n'ebe ha nọ ugbu a karịa otú ọ dịrị ha n'abalị ahụ mgbe ha liri Jisọs n'ílì ọhụụ nke Josef!

**Ọbị bị a nke Jisọs**

Ọ naabịa ọzọ! Okwu ndị ahụ enyewo ndịnsọ Chineke ọñụ n'ọtutụ arọ ndịa. Anyị kweere na ọbịbịa Ya bụ ihe náaghaghị imeeme n'oge náadịghị anya. Ọ bụ olileanya dị ebube nke Nzukọ Kraist, anyị naege kwa ntị ụda opi na itimkpu nke onyeisi ndị mmụọozi.

Lee ụdị ụzọ pụrụ iche nke Chineke rọpụtaara Ọkpara Ya nke Ọ hụrụ n'anya n'eluụwa nke a! Ọ́mụ́mụ́ dị ala na ọnwụ ihere, ma ọ bụ mbiliten'ọnwụ dị ebube! Óké ihe mere n'oge náadighị anya. Erere Ọkpara Chineke, kpọgide Ya n'obe, tọgbọ Ya nime ílì; ma, n'ụtụtụ nke ụbọchị nke atọ, O biliri! Ala mara jijiji, nkume gbawara, ọtutụ ílì meghere, ndị mmụọozi bịakwara wee kpọrepụ nkume ahụ. Kraist, Ọkpara Chineke tọgbọrọ ndụ Ya ka O wee were kwa ya ọzọ.

Mgbe mbiliten'ọnwụ gasịrị O buru ụzọ were Onwe Ya gosi otù nwanyị, Ọ bụ otù nwanyị buru ụzọ njehie ahụ, ma ọ bụ kwa ya buru ụzọ jee n'ili wee buru ụzọ hụ Onyenzọputa nke siri n'ọnwụ bilie. Ọ gbara ọsọ ije zie ozi ọñụ ahụ na Jisọs Ọkpara Chineke, emebiwo ike nke ọnwụ na ọ dị ndụ ughu a -- Ọ dị ndụ rue mgbe ebighịebi!

N'ihi na Ọ dị ndụ, anyị onweanyị gaadị kwa ndụ. Oziọma dị ebube! Onye gaajụ ya? Ọ nwụrụ n'ihi mmehie anyị: O siri n'ọnwụ bilie ka ewee gụọ anyị ná ndị eziomume. Ọ rịgoro n'Elu; Ọ naabịa ọzọ. Pọl gụrụ ihe niile n'ihe efu ka o wee rite Kraist n'urù, ka o wee mara Ya na ike nke mbiliten'ọnwụ Ya. Ànyị naagụ kwa ihe niile n'ihe efu ka anyị wee nwee ike isoro na mwelikọ nke ndịnsọ? Ànyị naejisi kwa ike n'ezie ịbụ ndị nọ ná njikere mgbe Jisọs gaabịa? "Ngọzi nādiri ya, ọ di kwa nsọ, bu onye nwere òkè nime nbilite-n'ọnwụ mbu ahu" (Nkpughe 20:6).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye liri Kraist n'ílì ọhụụ nke ya?
2. Ọ̀ bụ onye ka Kraist buru ụzọ mee ka ọ hụ́ Ya anya mgbe mbiliten'ọnwụ Ya gasịrị?
3. Ọ̀ bụ ònye kpọrepụrụ nkume ahụ n'ọnụ ílì ahụ?
4. Gịnị bụ iwu ahụ nke Kraist nyefere n'aka ndị náesoụzọ Ya?
5. Ònye ka agaazọpụta? Ònye ka agaama ikpé?
6. Kpọọ aha ụfọdụ ebe ahụrụ Kraist mgbe mbiliten'ọnwụ Ya gasịrị
7. Ọ̀ bụ site n'ebee ka O si O wee rịgọọ n'Eluigwe?
1. Gịnị ka ndị mmụọozi kwuru mgbe Jisọs rịgoro?
2. Ò nyere obi nke náesoụzọ Ya ọñụ ka ọ bu iruujù?
3. Gịnị bụ iwu ikpeazụ nke Jisọs nyere ndị náesoụzọ Ya?